lAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi

# Emume mbu maka onwu na mbilite n'onwu Jisos



Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: Janie Forest; Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
Lyn Doerksen

Onye tughariri okwu a: Ekwealor Sylvia Ujunwa

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2020 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa akuko a nani i gaghi ere ya ere.

Nwanyi a wee kwuru na akuku ugwu, were iwe di ya n'anya n'ele ihe nwute a ka nwa ya nwoke ji wee na anwu.



Onye nne a bu Mary, wee kwuru na-akuku obe ebe a kpogburu Jisos n'obe.





Kedu ka ihe ndi
a nile jiri mee?
Kedu ka Jisos ga
esi bichaa
omaricha
ndu Ya
n'udi di uzo
ojoor di otu a?



Kedu ka Chineke siri wee hapu ka akpogbuo nwa Ya nwoke n'elu obe? Jisos o me joro n'igosi onye o bu? Chineke o haripuru?



Mba! Chineke aharipughi. O dighi nmejo Jisos mejoro. Jisos mara mgbe nile na ndi mmadu ojoor ga egbu Ya.



Site na mgbe Jisos ka bu nwata, otu nwoke onye ozi Chineke aha ya bu simeon gwara Mary na ihe nwute di n'ihu.



Mkpuru ubochi ole tupu e gbuo Jisos, otu nwaagboho biara nwusa mmanu nwere isi oma n'ukwu Jisos.



“nwaagboho
na atufu ego”
ndi umu azu
Jisos kwuru.
“O ruru ezigbo
oru”, Jisos kwuru.



“O mere ihe a maka olili m”. Kedu udi okwu mgbagoju anya di ihe a!

Ka nke a gachara, Judas, otu onye n'ime umuazu Jisos kwetere iresi ndi isi nchuaja Jisos n'onu ego ola ocha iri ato.





N'emume ndi Jew bu passover, Jisos na ndi umuazu ya riri oriri ikpeazu. O gwara ha oru ebube na nkwa oma nile Chineke kwere ndi huru Ya n'anya.



Mgbe ahu Jisos
nyere ha achicha
na iko mmanya ka
ha kee onwe ha.



Ihe ndi a onyere ha
bu ka o chetara ha na
O nyere ahu na obara
Ya maka mgbahara
nmehie anyi.

Mgbe ahu Jisos gwara umuazu/ndi enyi Ya mmadu  ga eresi ya na aka ndi iro, ha bu umuazu ya ga agbahapu ya.



"A gaghi m agbahapu gi" pita kwusie ike. "Tupu okuko akwa, i (pita) ga agonaghi m", Jisos kwuru.





Ka emechara n'abali ahu, Jisos gara ebe a na akpo Gethsemane. Ndi umuazu ya so ya wee baa n'ura.



Jisos wee kpee
ekpere si, “ka
ewezugara m
iko nke onwu a.
Mana o bughi
na nmasi nke m
mana na nmasi
nke Nna m bu
Chineke.”

Ndi agha batakwutere ha
n'ime ogige gethsemane
na-atughi anya, Judas
bu onye dutara ndi
agha n'ogige a
Jisos noo.  Jisos
akwusighi ha ime
ihe ha kwere bia.



Mana pita jiri nma chapu onye n'ime ndi agha ahu. Jisos jiri nwayo were metu nwoke ahu pita chapuru nti ma gwoo kwa ya. Jisos mara na njichi a ndi agha jichiri Ya so kwa na mmasi na echiche Chineke.



Ndi agha kpuoro Jisos kpuga Ya n'ulo otu onye isi nchuaja. Ebe ahu ka ndi isi ndi Jew kpebiri na Jisos ga anwu.



Peter wee kwuru n'ebe adighi anya na akuku/agiga oku ndi odibo wee n'ele ihe n'eme nu. Ndi mmadu lere pita anya ugboro ato wee si ya i bu otu n'ime umuazu Jisos!"



pita gonaghiri ajuju a ugboro ato, di ka Jisos siri kwuo. Pita nyuruchara ma iyi.



IKWA AKWA OKUKO MGIBE CHI OBUBO

Oge ahu ka okuko wee kwaa. Akwa okuko a kwara wee di pita ka olu Chineke na echetere ya ihe Jisos gwara ya.



# IKWA AKWA OKUKO MGIBE CHI OBUBO



Pita bere akwa nwute mgbe o chetere okwu a Jisos gwara.



Judas ya onwe ya nwekwara nwute, O mara na odighi nmehie o bula Jisos mehiere.


Judas weghachiri ego iri ato ahu o natara wee resi Jisos n'aka ndi iro ya, ...



... mana ndi isi nchuaja ahu a nataghi ya.



Judas tufuru ego
ahu n'ala, puo
wee ga kwuo udo
kwugbuo onwe ya.



Ndi isi nchuaja kpupuru Jisos n'ihu pilate onye ochichi ndi Rome.



Pilate kwuru si, “odighi ihe ojoor o bula m huru n'okwu gbasara nwoke a.” Mana ndi mmadu tiwere, “kpogbue Ya! kpogbue Ya!”

N'ikpeazu pilate mechara kwenye n'ihe ndi mmadu a n'ekwu, pilate wee maa Jisos ikpe onwu n'elu obe.



Ndi agha suru Jisos okpo, buo Ya aso n'ihu ma piakwa Ya utali/apipia. Ha mekwara Ya okpu ogwu kpuwe Ya n'isi. Wee were ntu kpogbue Ya n'obe ka O nwuo.





Jisos mara mgbe nile na O ga anwu otu ahu. O makwara na onwu Ya ga ewete mgbahara nmehie ndi nmehie tukwasiri ya obi. A kpogburu Jisos n'etiti ndi ohi abuo.



Otu n'ime ndi ohi abuo a kwenyere ma nyekwa ndu ya na Jisos, o ketere alaeze Chineke. Mana onye ohi nko ozo emeghi otu a.



Ka otu oge ha tachara Jisos ahuhu gachara, Jisos kwuru si,

“O gwusi wo/O gwuchala,” O wee nwuo.




O ruzuola ihe O kwere maka ya bia. Ndi enyi Ya gara lie ya n'ili otu
nwoke gwuru onwe ya maka mgbe o ga anwu.


Ndi agha ndi Rome gbara ili Jisos gburugburu ka mmadu obulan hara inwe ike ibata ma obu puo kwa.

O gara abu ihe
nwute ma oburu
na ihe/akuko
gbasara Jisos
siri otu
a bie.




Mana Chineke ruru oru di ebube.  Jisos anogideghi n'ime ala mmuo/ili!


N'uzo ututu/chi obubo ubochi nke mbu n'izu, ufodu umuazu Jisos biara hu ka e bupuru
okwute ejiri wee mechie onu ili Jisos.

Ha lebara anya n'ime onu ili Jisos ma ha ahukwaghi Jisos.



Otu nwanyi noro
ebe ahu n'ebe akwa.
Jisos biakwutere
nwanyi ahu!



O wee were oso na obi anuri gbahachi azu wee koro ndi umu azu Jisos. "Jisos di ndu! Jisos esi la n'onwu belie!"





N'oge na adighi anya Jisos bia gosi umuazu Ya onwe ya, O gosikwara ha ebe akporo ya ntu n'aka. N'ezie, Jisos ebiliwo n'onwu!



O gbahara pita maka ngonaghi ahu pita gonahuru Ya, ma gwakwa ndi umuazu ya ka ha koro ndi mmadu maka Ya na mbilite n'onwu Ya.  O wee lahachi alaeze eligwe ebe O siri bia.

Emume mbu maka onwu na mbilite n'onwu Jisos

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke, bu akwukwo nso

Di n'ime

Ozioma matiu 26-28, luk 22-24, Jon 13-21

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.” Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa
anyi maka Chineke puru ime ihe nile,
onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie. Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi. Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia! O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi! O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo.  Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi.  Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi.  Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile!  Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.